# ỌÑỤ NKE ONYEKRAIST

**Ndị Filipai 3:1-3, 7-16, 20, 21; 4:1-13.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 406**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWUIBUN'ISI: "Nañurinu ọñu n'Onye-nwe-ayi mgbe nile; m'gāsi ọzọ, Nañurinu ọñu" (Ndi Filipai 4:4).**

**I Ịdọakanántị dị icheiche**

1 Adọrọ ụmụnna akanántị banyere ndị naeso omenaala Ndị-Ju na ndị naalụ ọlụ ọjọ, Ndị Filipai 3:1,2; II Pita 2:1.

1. Ndị ebiri úgwú nime mmụọ naañụrị ọñụ nime Kraist Jisọs, Ndị Filipai 3:3.

**I. Ịchọ Oyiyi nke Kraist**

1. Ọchịchọ nke Pọl bụ ịrapụ ihe niile n'azụ ka o wee nwee ike feè Onyenweanyi Jisọs Kraist òfufè, Ndi Filipai 3:7-9.
2. Pọl chọrọ isoro Onyenweanyi n'ahụhụ na nime mbilite n'ọnwụ, Ndi Filipai 3:10,11; II Timọti 2:12.
3. Ọ gara n'iru n'ụzọ dị elu nime amara nke Chineke, Ndị Filipai 3:12-14.
4. Ọ naadụ anyi ọdụ ka anyi naejegharị dịka o kwesịrị ọkpụkpọ akpọrọ anyi, Ndi Filipai 3:15,16; Ndị Efesọs 5:2.
5. Olileanya anyi bụ ọbịbịa nke Onyenweanyi, Ndi Filipai 3:20,21.

**II. Ñụrị a Ọñụ Nime Onyenweanyi**

1. Ọ naadụ ụmụnna ọdụ ka ha dị n'otù bụrụ kwa inyeaka n'ebe ibeha nọ, Ndi Filipai 4:1-3; I Ndi Kọrint 1:10.
2. Site n'ekpere ha, inye ekele na ịñụrịọñụ, ha gaegosi na ha bụ ndị agọziriagọzi, Ndi Filipai 4:4-6.
3. Chineke gaechebe ndị ahụ bụ́ ndị naerubeisi n'iwu ndị, Ndị Filipai 4:7; Aisaia 26:3.

**III. Agaachị kọta Èchìchè**

1. Onye nke Kraist aghaghị icheèchìchè banyere ihe ziriezi, Ndi Filipai 4:8,9; Ndi Kọrint 10: 4,5.
2. Pọl naáñụrịọñụ na yaamụtawo ịtụkwasị Onyenweanyi obi n'ọnọdụ ọbụla, Ndi Filipai 4:10-12.
3. Ike ya nammeri ya naesite na Kraist abịa, Ndi Filipai 4:13 Habakuk 3:19.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ọchị chọ Dị Nsọ Nke Pọl**

Isi ọchịchọ nke Pọl ná ndụ ya bụ iketa òkè ná mbilite n'ọnwụ nke Mbụ ahụ. Ọ matara na irute na nka gaabụ ọgwụgwụ dị ebube nke ndọgbu n'ọlụ niile na ọnwụnwa niile nke akpọrọ ya ka ọ gafee. Ọ hụwo ọhụ nke mere ka ọ gụa ọchịchọ niile maka ihemnweta dị cheiche nke ụwa n'ihe efu. Urù niile na ohere niile nke o nwere tupu ncheghari ya ka ọ gụrụ ugbu a dịka ihe naabaghị n'ihe. Ọ gụrụ ha n'ihe dị nta n'ọnụ ahịa nke mere na ha kwesịrị ka elefuru ha anya ma bụrụ kwa ihe naabaghị urù ka echeta ha maọlị, Nka bụ eziokwu ná ndụ nke NdịKraist niile. Ihe dị icheiche nke ọtụtụ mmadụ naere mkpụrụobi ha taa n'ihi ha bụ ihe naabaghị n'ihe ọbụ ezie na akwụrụ ụgwọ dị ukwu iji nweta ha. Orù nke Chineke ịrapụ ichụso oké ọchịchọ nke ihe nke ụwa naabụ ihe nzuzu n'ebe onye anaazọpụtabeghị nọ. Ma apụghị iji iheefu nke ụwa nka tụnyere ngọzi na ọñụ nke OnyeKraist naenwe. Ọñụ ya bụ nke ego naapụghị ịzụta. Ọjija nke mmadụ na udé nke ụwa abụghị ihe ọ naachọ, kama ọ naachọ ime ihe gaatọ Onye ahụ nke kpọrọ ya ọpkụkpọ nke eluigwe Ya ụtọ.

Ọñụ nke mmehie agbgharaworo bụ otù nime ọñụkachasị nke mmadụ ekereeke pụrụ ịmara. Ndị niile bi n'ụwa enwewo otù mnwapụta nke gazuru ebe nile, nke ahụ bụ na mmadụ niile amatawo amamikpe nke mmehie. Onye ọ bụã nke nọ nime mmehie naenwe amamikpe nke mmehie nke ka nke bụ na ibuarọ nke mmehie ahụ naadị arọ mgbe Chineke zitere ọmụmaikpe nke Mmụọ Nsọ naeweta n'ihi mmehie. Mgbe ahụ ibu ahụ naadị arọ karịa dịka agaasị na ọ gaghị ekwe obubu; ma ịnata mgbaghara mmehie ahụ nke enyere na ibupụ ibuarọ ahụ naeweta ọñụ nke anaapụghị ịkọwa -- ọñụ nke nzọpụta.

### Ịchọ Oyiyi Nke Kraist

Pọl agụghị onweya dịka onye nke nwetaworo nzube ya n'ọsọ ya dịka OnyeKraist, kama o chewoiru ya eleghị anya n'azụ legide Zaiọn Ọ naechezọ ihe ndị ahụ dị n'azụ wee naachọ ihe nke Chineke. Ọ matara naịgbaọsọ ya bụ ihe dị ebubu karịsịa, mara kwa na ọñụ ya gaezu òkè mgbe ọ hụrụ Jisọs iru na iru. N'ụbọchị ikpeazụ nke ndụ Pọl, ọ pụrụ ileghachi anya n'azụ wee sị: "Agbasiwom ngba ọma ahu agbasiwom ọsọ ahu, edebesiwom okwukwe ahu: nke fọduru bu na edebeworom okpueze nke eziomume ahu, nke Onye-nwe-ayi, bú Onyeeziomume n'ikpeikpe, genyeghachim n'ubochi ahu: ma ọ bugh nání mu onwem, kama Ọ gēnyeghachi kwa ndi nile huworo ngosi Ya n'anya" (II Timọti 4:7,8). Nime ịgbaàmà nke ikpeazụ ya nye Yimọti, ọ dị ya ka ọsọ ahụ naabịaru n'ọgwụgwụ. N'azụ ya ka ndọgbu niile ọ dọgbuworo onweya n'ọlụ dọ, ụtarị niile apịara ya, mkpọrọ niile nke atụrụ ya, ugbọmmiri ya niile nke kpuruekpu, izendụ site n'osimiri, na site na ndị naapụnara mmadụ ihe, na izendụ site na ndị mbaọzọ, izendụ site ná ndị mba nke ya, na izendụ nime ọhịa. Oké agụ na akpịrị ịkpọnkụ, oyi na ịgbaọtọ, ha niile abụrụwo ihe Pọl gafere agafe. Ọbụná mgbe ihe ndịa bịara n'ụzọ ya, ọ gụrụ ya n'ọñụ na ya pụrụ ịhụ ahụhụ n'ihi Jisọs; ma ugbu aọ fọdụrụ ihe nta ka ndụ ya gwụsịa ọ gaamara kwa na mgbe naadịghị anya ihe ibilite n'ụdị nke Kraist bụ. Mgbe ahụ, na nanị mgbe ahụ ka ọñụ na mnwetazu nke nzọpụta ya gaezu òkè. Ọñụ nke o nwere n'ebe a dị ebube, mnwekọ nke ụmụnna dị kwa ụtọ; ma ọñụ ebighebi nọ kwa naechere ya, naechere kwa ndị nịile gaeketa òkè ná mbilite n'ọṅwụ nke Mbụ ahụ. Ọ bụghị ihe ijuanya na Pọl, ebe ọ matara nka nkeọma, pụrụ ikwu mgbe ọ nọ n'ulomkpọrọ na Rom sị: "Anamagbakuru ókè ịgba-ọsọ ka m'we nata ihe anāgbta n'ọsọ nke ọkpukpọ di elu nke Chineke nime Kraist Jisọs" (Ndi Filipai 3:14).

### Ñụrị aọñụ Nime Onyenweanyi

Enyere anyi iwu ka anyi ñụrịaọñụ nime Onyenweanyi. Ụfọdụ na eche na nka bụ ihe anyi gaeme ma ọbụrụ na anyi chọọ na ọ bụghị ọlụ dịịrị anyi. Okwukwe nime Chineke naeme ka anyi naañụrịọñụ. Kraist, n'ihi ọñụ nke edebere n'iru Ya nagidere obe ahụ. Anyi ji oké ọñụ naele anya n'àzú na Ya onweya buuru mmehie anyi na Kalvarị. Ọñụ nke edebere n'iru Ya bụ ka O wee bụrụ Onyenzọpụta anyi. O kwesịrị ka ịñụrịọñụ anyi bụrụ nime Onyenweanyi. Ndụ nke OnyeKraist bụ nke mmeri na udo. OnyeKraist ebowo Jisọs mmehie ya; ọ naarapụ mkpa ya n'aka nlekọta nke Chineke; ọ naatụkwasị egwu ya niile n'alu nkwa nke Chineke; ma n'ọnọdụ a dị ngọzi nke ọ nọ nime ya, ọnọdụ, adịghị nye ihe ọzọ n'obi ya ma ọ bụghị ọñụ. Ọbụná ná mmetuta ya banyere ndị akaenweghi nzọpụta, ọ naenwe ntụkwasịobi na Chineke Onyenzọpụta ya onweya gaazọpụta kwa ndị niile ọ hụrụ n'anya. Ọ pụghị iburu mmehie ha n'onweya, o nweghị kwa ike icheghari n'ọnọdụ ha; ma ka ọ naekpeekpere n'okwukwe, ọ naañụrịọñụ n'ihi na ọ pụrụ ịtụkwasị Chineke na Okwu Ya obi.

### Imeruihen'okè na Ntụkwasịobi

Onyenweanyi naachọ ka ndị nke Ya naemeru ihe n'okè. O kwesịghị ka anyi kwenye n'ihe ọ bụla naadịghị dịka Okwu Chineke si dị, maọbụ ịnagide ihe ọ bụla nke Okwu Chineke megidere; n'otù mgbe ahụ kwa, anyi gaecheta na Chineke abụghị Chineke nke agbara na nke ịwịara. Otù ndị okpukpe ụfọdụ ewerewo nkọwa naezighiezi nye akụkụ ụfọdụ nke Okwu Chineke, nkemere na ozizi ha ezighiezi wee bụrụ kwa ihe naadịghị dịka Okwu Chineke si dị. Anyi gaeji otù akụkụ nke Okwu Chineke wee kọwaa akụkụ nke ọzọ, ọ bụghị iwere ihe niile anyi kweere tụkwasị n'ihe echere na amaokwu ahụ nke akọwara n'ụzọ naekwesighị naakụzi. Baibụl adịghị emegide onweya. O kwesịrị ka anyi mụa akụkụ niile nke Bailbụl ma kwere kwa ha niile ka anyi wee nwee ike ikuzi okwu nke eziokwu ahu otú o si kwesi. Anyi naagụ n'Akwụkwọ Jọn 7:17 na: "Ọ buru na onye ọ bula achọ ime ihe Ọ nachọ, ọ gāmara ihe ozizi a bụ, ma o sitere n'aka Chineke, ma-ọbụ na Mu onwem nēkwu site n'Onwem." Ọtụtụ oziziụgha ka ndị ahụ jụrụ ime uche Chineke maliteworo. Iji kpuchie mmehie ha, ha naenye Okwu Chineke nkọwa nke aka ha ma wepụta kwa ozizi nke aka ka. Chineke kwuru okwu banyere ndị Israel daghachiri azụ sị: "N'ihi na ihe ọjọ abua ka ndim meworo; Mu ka ha rapuworo,

bú isi-iyi nke miri nēnye ndu, ka ha we gwuwara onwe-ha olùlù-miri di iche iche, bu olùlù-miri tipúru etipú, nke nānagidegh miri" (Jeremaia 2:13).

Chineke naachọ ka ndị nke Ya tụkwasị Ya obi. Ọ bụrụ na ha atụkwasị Ya obi, ha agaghị enwe oké nchegbu. Nka pụtara, na ha agaghị ekwe ka nchegbu ha naachi ha. Ọ bụrụ na anyi ewetara Chineke ọchịchọ anyi niile wee kpeeekpere site n'obi ekele, agaachụpụ nchegbu niile anyi; Mgbe anyi naarịọ Chineke arịrịọ n'okwukwe, anyi naatụkwasị Ya obi na Ọ gaaza ekpere anyi ma mezu kwa ihe anyi rịorọ Ya maọbụrụ na ha dị dịka uche Ya si dị. Ekpere niile anyi na ọchịchọ niile anyi ka anaedebe n'okpuru uche Ya, n'ihi na ọ dịghị nwa Chineke ọ bụla gaachọ ka emee uche ya karịa ime uche nke Chineke. Jisọs debere ihenlere anya nye anyi nime ekpere nke O kpere n'Ubi ahụ nke Getsemane mgbe Ọ sịrị: "Nnam, buru na ọ gekwe me, ka iko a gabigam: ma ọ bụgh dika Mu onwem nāchọ, kama dika Gi onwem-gị nāchọ"(Matiu 26:39).

**Èchìchè Anyi**

Chineke akụziworo anyi site n'iheọmụmụ a na o kwesịrị ka anyi naachị èchìchè anyi. Nánị olileanya nke dị banyere nzọpụta bụ site n'úrù nke dị n'Ọbara ahụ nke Jisọs awụsịrị. N'ihi nka anaghị azọpụta anyi site n'èchìchè anyi, kama enyere anyi iwu ka anyi naechè echìchè banyere ihe niile ziriezi. Mmadụ aghaghị iche ezigbo èchìchè tut o nwee ike ikpeekpere n'ụzọ ziriezi. Anyi adịghị eme onweanyi ndị eziomume site n'èchìchè anyi, ma n'ihi na emewo ka anyi bụrụ ndị eziomume site n'eziomume nke Kraist, anyi pụrụ irubeisi nye iwu nke Chineke wee naeche èchìchè banyere ihe ndịa bụ́ eziokwu, ihe kwesịrị nsọpụrụ, ihe ziriezi, ihe dị ọcha, ihe niile kwesịrị ịhụn'anya, ịdịmma na ihe kwesịrị otuto.

Anyi niile amawo mmadụ ndị naadịghị ahụta ezi ihe n'ebe mmadụ ọ bụla ọzọ nọ. O kwesịghị ka anyi chee na ikpe ahụ nke ọ naekpe mmadụ sitere n'aka Onyewneanyi bịa. Adụrụ anyi ọdụ ka anyi naekpe ekpere maka nke ịta madụ ụta na iboebubo abụghị nke obi jupụtara n'ekpere nke naebeku Chineke akwá ka O nwee obiebere n'ebe ndị mehieworo nọ. O kwesịghị ka anyi naekwupụta ọtụtụ iheọjọ nke ekwensu meworo. N'ọnọdụ ọ bụla nke ndụ, ohere naadị ịhụ na ihe niile naalụkọ ọlụ iwetara ndị hụrụ Chineke n'anya ezi ihe (Ndi Rom 8:28). Anyi agaghị ekpuchi mmehie site n'ichegharị isi anyi wee kpọọ iheọjọ eziihe, ọbụná n'ikwu okwu megide mmehie nime ndụ madụ apụrụ inwe ihemgbakwasịụkwụ iwulite okwukwe site n'eziokwu ahụ na onye ahụ agafebeghi ebe agaasị na ọdịghị mgbapụta dịịrị ya ọzọ na Chineke ka hụkwara ya n'anya, na Ọ gaagbaghara ya ma ọ bụrụ na o chegharịa. Onye agọziriagọzi ka mmadụ ahụ bụ nke uche ya dị n'ebe Onyenweanyi nọ, nke naañụrị kwa ọñụ n'ebere Ya. "I nechebe onye emeworo ka uche ya dabere na Gi, o we nādịzu n'udo: n'ihi na ọ bụ Gi ka ọ nātụkwasi obi"(Aisais 26:3).

**Mmeri Nime Ọnọdụ Niile**

Iñụrịọñụ nke Pọl n'Oziọma abụghị n'ihi ọnọdụ dị icheiche nke inwere onweya pụa ná nsogbu. Ọ nọwo n'agụ, ma emewo kwa ka afọ ju ya. Ọ nọwo n'oyi ma nọ kwa n'okpomọkụ. Ọ ñụrịrịọñụ na NdịKraist nọ na Filipai enwewo ike igbo mkpa ya n'ihi ụgwọọlụ nke ha gaanata n'ihi ime ya (Ndi Filipai 4:17). Ọ bụrụ na NdịKraist tụkwasịrịobi n'ihe anya naahụ iji kwenye nangọzi Chineke dinyeere ha,ọtụtụ mmadụ agaghị enwe olileanya. Ọtụtụ nime ndị bụ ogbenye karịsịa n'ụwa nka enwewo mmeri kachasị ebube nime mmụọ ha. Ụfọdụ ndị nwere ọtụtụ ihe mnweta nke ụwa nka n'oge garaaga ahụtawo onwe ha n'ọnọdụ ogbenye, ma nka anapụghị ha okwukwe ha nwere n'ebe Chineke nọ. N'ọtụtụ ụzọ ejiwo nka kpalie agụ nke mmụọ ha na ime ka ha nwebiga obi ekele okè maka nchekwube ahụ dị ụtọ nke ha nwere na ihe niile dịịrị mkpụrụobi ha mma.

Pọl matara na ike ya dị nime Kraist. Egwù atụghị ya n'ihi ọlụ nke o ji n'aka maọbụ nke dị n'iru, n'ihi na o nwere nkwa ahụ nke naasị na dịka ụbọchị ya niile si dị na otú ahụ ka ike ya gaadị. Otù onye asịwo na ya nwere "amara nke dị ndụ" ma nwee kwa nchekwube na mgbe oge ọnwụ ruru na Chineke gaenye kwa ya amara nke gaezu iji nwụaọnwụ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ndị ahụ ekwuru okwu banyere ha na ha bụ ndị ebiri ugwu nime mmụọ?
2. Gịnị ka Pọl gụrụ n'iheefu n'ihi Oziọma?
3. Gịnị ka Pọl bu nọọ n'uche inweta?
4. Pọl ọ̀ gụrụ onweya dịka onye nwetaworo ọchịchọ nke obi ya? Gịnị ka o mere banyere nka?
5. Gịnị kwesịrị ịbụ iheịrịbaàmà pụtara ihe nke naegosi na Onyenweanyi bi nime obi?
6. Gịnị ka ha ga naeche èchìchè banyere?
7. Gịnị ka ha gaeme banyere nchegbu ha?
8. Gịnị gaabụ omume ha n'ebe okpukpe nke ịwịara na nke ijidesi iwu na omenala ike dị?
9. Gịnị ka Pọl mụtara ime n'ọnọdụ ọ bụla
10. Òlee ebe Pọl sịrị na yasi enweta ike?